# NDỊ DIKE NKE MMỤỌ

**Ndi-Hibru 11:23-40.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 443**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mgbe Moses toruru madu, ọ bu okwukwe ka o ji ju ka akpọ ya nwa-nwoke nke nwa-nwayi Fero; n'ihi na ọ rọrọ ka emejọkọ ya na ndi nke Chineke, kama inwe ihe-utọ nke nmehie na nwa oge; ebe ọ guru ita-uta nke Kraist-ayi n'àkù dikariri àkù nile nke Ijipt uku: n'ihi na o wepuru anya-ya le nnyeghechi nke ugwọ-ọlu ahu" (Ndị -Hibru 11:24-26).**

**Ndị Mụrụ Moses**

**"Mgbe amuru Moses ọ bu okwukwe ka ndi muru ya ji zobe ya ọnwa atọ, n'ihi na ha huru na nwatakiri ahu mara nma; ha atugh kwa egwu ihe eze ala ahu nyere n'iwu" (Ndi-Hibru 11:23)**

Nke a bụ ihe náegosi na ndị mụrụ Moses nwere okwukwe na Chineke. Ha anọwo ihe karịrị narị arọ abụọ n'ịbụorù nke ndị Ijipt. Nime ogologo oge ahụ niile ọ dịghị ihe gosịrị na Chineke kwuru okwu maọbụ gosipụta Onweya ma otú ọ dị enwere ndị nọ n'ebe a bụ́ ndị ha na Chineke nke Abraham, Aisak na Jekob naenwe mmekọrịta n'oge ahụ. Ọ bụ ihe dị ukwu, n'ihi na ha naebi n'etiti ndị náamaghị Chineke ndị náekpekwara arụsị. Ndị Ijipt mgbe ochie ahụ nwere ikperearụsị n'ụdị ọ bụla apụrụ ichepụta: ha naefè osimiri Nail, ha naefè anụmanụ, ha kwere na mmadụ náabịghachi n'ụwa mgbe ọ nwụsịrị, ya na ọtụtụ òzízí ọzọ nke mere ka ha bụrụ mba pụtara ìhè n'ikpere arụsị. Náagbanyeghị nke a enwere ndị nọgidere n'okwukwe nke mgbe ochie ahụ ma kwere kwa na Chineke nke dị ndụ.

Ndị mụrụ Moses so n'ọnụọgụgụ ahụ. Ha hụrụ na ọ bụ nwatakịrị maramma. Iwu esiwo n'ebe eze nọ pụta ka egbue ụmụntakịrị ndịkom niile nke amụrụ n'etiti ndị Israel ka ọnụọgụgụ ha ghara ịkarị nke ndị Ijipt. Mgbe ọnwa olenaole gasịrị ha apụghị kwa izobe nwatakịrị a; agaachọ ihe agaeme. Site n'okwukwe ha tinyere ya n'ụgbọ nke papyrus. Ndịa bụ ụgbọmmrir nke anaahụkarị n'ijipt n'oge ahụ. Ejiri àchàrà nke náeto n'akụkụ osimiri Nail kpaa ụgbọ ahụ, anaeji kwa ha eme ọtụtụ ihe dị icheiche kwa ụbọchị nke ndụ ha.

Nne Moses wee were otù nime ụgbọ ndịa tinye ya ihe pụrụ igbochi mmiri ịbànye na ya wee tinye nwatakịrị ahụ nime ya, mee ka ọ náerugharị n'elu mmiri nke Nail ahụ. Ọ dị ka ọ bụ àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke n'ụzọ niile. Lee ka ụzọ O si alụọlụ dị omimi! N'ọtụtụ arọ garaaga n'ebe ahụ tutu onye ọ bụla amata ụzọ agaesi nápụta ndị Israel n'ịbụorù ahụ maọbụ tutu emee ka ọ pụta ìhè nkeọma na ọ dị mgbe ọ bụla agaanapụta ha, ma ọ bụghị dịka mkwà ahụ nke Chineke kwere Abraham náeguzo, Chineke malitere ịlụọlụ banyere nwaọhụụ ahụ.

N'oge náadịghịanya mgbe emere ka ụgbọ ahụ náerugharị n'elu mmiri, nwanwanyị eze, bụ́ nwanwanyị Fero, bịara n'ọnụ mmiri ahụ ya na ụmụagbọghọ náejere ya ozi, ha wee hụ́ta ụgbọ ahụ wee palite ya. Ma n'ihi na Moses bụ nwa maramma n'ile ya anya, ha wee nwee ọmiko n'arụ ya. Onye ọ bụla gaabụworị onye nwere obietili karịa, ọbụná n'etiti ndi náamaghị Chineke, bụ́ onye náagaghị emeworị otú ahụ. Mgbe ahụ Miriam, bụ́ nwata gbara ihe dị ka arọ iteghete, onye zoro onweya n'etiti ámị pụtara wee chọọ ịmata ma ọ gaachọta onye náenyenwaara. Site ná mkwenye nke nwanwanyị eze ahụ, ọ kpọtara nne nwatakịrị ahụ, onye lekọtara nwatakịrị ahụ tutu rue mgbe o toruru ịkpọrọ ya baa n'èzínaụlọ nke Fero ebe nwanwanyị eze ji ya mere nwa nke ya.

**Moses**

Enyere Moses ọ̀zụ̀zụ̀ n'amamihe niile nke Ijipt -- nke ahụ bụ, amamihe nke mmadụ. Ha nwere ọlụnkà dị icheiche na mmụta nke sayensi (science) nke bụ́ ihe etufuworo n'ụbọchị taa, ọ dịghị kwa nke agaeji tụnyere ha. Ha ruru ogó nke mmepeanya pụrụ iche nke anaahụbeghị mgbe ọ bụla na mgbe ahụ; náagbaghị kwa agụgọ azụlitere Moses site na nwata ya nime omenala ha, edemede na agụmagụ ha na nkà ha.

Ma agwara anyị na mgbe o ruru ihe dị ka iri arọ anọ, Onyenweanyị tinyere ya nime obi ya ịga leta ụmụnne ya. Mgbe ọ hụrụ mmekpaarụ na ihe ọjọọ dị icheiche anaeme ha, ngwangwa o kpebiri n'onweya ịgbalị idozi ihe ọjọọ ahụ. Ma Onyenweanyị ejikerebeghị ya ịlụ ụdị ọlụ ahụ.

Ọtụtụ mmadụ, nime ịnụọkụ n'obi ha, naebutere Mmụọ nke Onyenweanyị ụzọ. Moses bụ kwa otù onye nime ha. Etinyewo ya n'obi nke Fero ka o jee ọ̀zụ̀zụ̀. N'ile ya anya ọ dị ka agaasị na Fero naenye ya ọ̀zụ̀zọ̀, ma aka nke Onyenweanyị dị n'ihe ahụ niile; ma mgbe oge ahụ ruru, Ọ pụrụ ikwuokwu n'obi Moses.

Ihe ahụ nke dị n'obi mmadụ bụ nke Chineke nwere ike iji lụọọlụ. Ụfọdụ naasị na ọbụná mgbe ha nọrị n'ọchịchịrị na nime mmehie, ha nwere agụụ mgbe niile ifè Chineke òfùfè na ime ihe ziriezi. Chineke naeji nke ahụ alụọlụ. Ọ bụrụ na ọ pụrụ ijide obi nke mmadụ wee kpughere ya ìhè ahụ, wee mee ka onye ahụ gbueikpere n'iru Ya ma kpọkue kwa Ya, O nwere ngwaọlụ nke Ọ gaeji lụọọlụ, na iheọlụ nke apụrụ itinye n'ọlụ.

Ma Moses gara n'uche nke onweya, nke mere na ọ gbapụrụ n'obodo ahụ. Ọ̀mụ̀mụ̀ akwụkwọ ya akaagwụghị. O wee gbaba n'obodo Midia, nke dị nso Ugwu Sainai. Aka Chineke dị kwa na nke a. N'ebe ahụ ka ọ nọ náazụ ìgwèatụrụ nke Jetro. Ọ kpọrọ aha nwa mbụ ya Giashom, nke pụtara onyeọbịa; o wee si kwa; "ọbịa ka m'buworo n'ala ọzọ" (Ọpupu 2:22).

Otú a anyị naahụ ụfọdụ nime ihe nke Moses naagabiga. Ekewapụwo ya n'ebe ndị nke ya na agbụrụ ya nọ, ọ bụ onye achụpụrụ gaa n'ala náabụghị nke aka ya n'etiti ndị alaọzọ, o nwekwara ohere ịtụgharị uche banyere ọtụtụ ihe mgbe ya na igweatụrụ ahụ nọ n'ọhịa. Chineke nwere ohere ikuziri ya ihe. Moses gabigararị oge nke mwedanala (mgbe azụlitesịrị ya n'òbí nke Fero) tutu ọ̀mụ̀mụ̀ akwụkwọ ya agwụsịa, na tutu Chineke ejikere itinye ya n'ọlụ.

Oge ahụ wee bịa n'ikpeazụ mgbe Chineke gwara ya okwu site n'osisi ahụ naere ọkụ wee nye ya iwu ka ọ laghachị ma kpọpụta kwa ndị nke Ya. Moses wee rụọụkà. Ọ maara ihe nke a pụtara; ọ matara ihe òbí Fero bụ; ọ matara ihe ike nke ndị Ijipt bụ na ihe ọ gaje ịhụ́.

> **"Ma Moses siri Chineke, Ònye ka m'bu. Na m'gējekuru Fero, na m'gēme kwa ka umu Israel si n'Ijipt puta?**
>
> **"Ọ si N'ihi na Mu na gi gānọ" (Ọpupu 3:11, 12).**

Onyenweanyị pụrụ iji iheọlụ dị ala lụọọlụ, bụ ihe mmadụ pụrụ ịsị na ọ bụ iheọlụ náezughi òkè; ọ bụrụ na onye ahụ gaarara onweya nyefee Chineke, Ọ pụrụ ime ka o zuoòkè n'ihi otuto Ya. Jọn Bunyan sịrị, "Ọ gaabụ ihe uku ịbu ụbọakwara -- ọbụná nke dị ụkọ? Urù gịnị ka ụbọakwara bara ma ọ bụghị ma ọ dị n'aka onye maara ka esi akpọ ya nkeọma?" Otú a ka ọ dị n'ebe onye ọ bụla nime anyị nọ. Anyị abaghị urù nke ukwu, ọlụ anyị ezughiòkè, anyị bụ kwa ngwaọlụ náezughị òkè, tutu rue náání mgbe Chineke sooro anyị lụọọlụ ma site kwa na anyị lụọọlụ.

> **"Mgbe Moses toruru madu, ọ bu okwukwe ka o ji ju ka akpọ ya nwa-nwoke nke nwa-nwayi Fero;**
>
> **"N'ihi na ọ rọrọ ka emejọkọ ya na ndị nke Chineke kama inwe ihe-utọ nke nmehie na nwa-oge" (Ndi-Hibru 11:24, 25).**

Ọ hụrụ ọtụtụ ihe ụtọ nke mmehie n'òbíeze ahụ, ọtụtụ ihe nke náagụ anya agụụ, ọtụtụ ihe nke gaatọ ndị ahụ ụtọ bụ́ ndị nwere uche nke náachọ ihe náegbu màràmàrà, ọtụtụ ihe nke náegbu màràmàrà na ọtụtụ ọlaedo. Ma Moses nwere ihe nke dị n'alaala obi ya nke chọrọ ihe karịrị nke ahụ. Eleghịanya ọ bụ onye nketa nke ocheeze ahụ, ebe ọ bụ nwanwoke nke nwanwanyị Fero. Ma gịnị ka anyị naagụ?

> **"Ebe ọ guru ita-uta nke Kraist-ayi n'akù dikariri àkù nile nke Ijipt uku: n'ihi na o wepuru anya-ya le nnyeghachi nke ugwọ-ọlu ahu."**

Ọ laghachiri; o mere ihe Onyenweanyị nyere n'iwu. Ọ nọgidere nime ya ọ bụ ezie na o zutere nguzogide site n'aka ndị Israel kwesịrị olu ha ike.

> **"Okwukwe ka o ji me ememe ngabiga ahu, ya na nwusa ọbara ahu, ka onye ahu nēbibi umu eburu ụzọ mu we ghara imetu ha aka" (Ndi-Hibru 11:28).**

Dịka ndụmọdụ ndịọzọ ahụ nke enyere Moses banyere ihe gaabịakwa ndị Ijipt, ọ dịghị ihe ọzọ o nwere ma ọ bụghị náánị okwukwe ka o ji naaga ije. Onyenweanyị enyewo iwu, ọ bụ kwa n'okwukwe ka ọ gaeme ya. Mgbe abịara n'ihe banyere ime njikere maka ememe ngabiga a, ọ bụ kwa n'otù ụzọ ahụ. Ma Moses amụtawo nrubeisi. O sighị n'ụzọ ọ bụla wezuga onweya n'iwu ahụ, ma ọ bụghị mgbe ahụ o tiri nkume ahụ ihe.

**"Okwukwe ka ha ji gabiga n'etiti oké osimiri Uhie dịka ọ bu ala kpọrọ nku: ma elomiri ndi Ijipt mgbe ha nwara igabiga ya" (Ndi-Hibru 11:29).**

Moses wee guzo n'ụsọ osimiri uhie ahụ wee sị, "Guzonu onwe-unu n'ebe a, hu nzọpụta JEHOVA" (Ọpupu 14:13). Ha wee guzo, n'ụzọ dị ebube Chineke chụghachiri mmiri ahụ àzú, ha wee gabiga n'ala akọrọ.

**Okwukwe Na Ọlụ**

Ọ bụ site n'ọtụtụ ndụmọdụ dịkarịsịrịntà na iwu dị icheiche ka ha lụrụọlụ; ma mgbe ha mere ihe, Chineke arapụghị ịlụọlụ Ya. Nke ahụ bụ akụkụ dị mma nke okwukwe -- náánị ime ihe nke Chineke sị anyị mee; mgbe Chineke nyere iwu, mee ya. Achọla ịnwa ịgbanarị ya maọbụ isi ụzọ ọzọ gbapụ, kama náánị rubeisi n'okwu ya niile. Anyị ekwesịghị ịtụụjọ na Chineke agaghị eme akụkụ nke Ya.

Ihe ka ukwu n'ebe okwukwe dị bụ ọlụ -- ime ihe nke Chineke nyere n'iwu. N'oge niile nke ijéozi ya, mgbe ọ bụla Jisọs zutere onye chọrọ inyeaka, Ọ naenye onye ahụ ọlụ ọ gaalụ. Nwoke ahụ onye otù aka ya kpọnwụrụ akpọnwụ nke náakwụgharị n'akụkụ Ya, Jisọs nyere ya iwu, "setipu aka-gi" Ị gaasị "Nke ahụ bụ iwu nzuzu inye nwoke onye otù aka ya kpọnwụrụ akpọnwụ" Otú a ka ọ dị mgbe elere ya anya dịka mmadụ maọbụ chee ya n'ụzọ ọgwụgwọ site n'ọgwụ, eleghịanya ọ dị otú ahụ, ma n'ebe Chineke nọ. ọ dịghị otú ahụ. Mgbalị ahụ nke nwoke ahụ tinyere n'irubeisi n'iwu nke Jisọs nyere ya, werutere ya nso ike ahụ nke sitere na Chineke nke tinyere ndụ n'akụkụ nke arụ ahụ nke ndụ náadịghị. O setipụrụ aka ya wee nwee ọgwụgwọ.

Ọ bụrụ na anyị gaanata ihe n'aka Chineke ọ gaabụ n'ihi na anyị lụrụọlụ. Anyị gaeme ihe karịrị nnabata maọbụ okwukwe n'okpokoroisi nke ihe ahụ nke Chineke nwere nye anyị.

Otù onyeozi kọrọ akụkụ ihe banyere ihe ọ nwapụtara ngwangwa azọpụtasịrị ya: "Ariaram ọria we nọworị otù ahu rue ọtụtụ ụbọchị ma ọrịa ahụ naanọgide náakarị njọ. Otù nime ndị ọ̀zụ̀zụatụrụ wee bịa iletam náechere Onyenweanyị ka Ọ gwọm. O wee sị, 'Ọ bụrụ na ị naeleanya na arụ gaadị gị mma, o nwere ihe ị gaeme. Anam adụ gị ọdụ ka ị bilie jee nzukọ.' Emere ihe ahụ dịka o kwuru, Onyenweanyị wee gwọm n'ụbọchị ahụ ma nyeghachi kwam ikem. Nke ahụ bụ ihe mmụta nyem". NKe ahụ anaghị abụkarị ihe dị mfé mgbe niile.Ụfọdụ nwere ike náarịaọrịa dị ukwu nke mere na ha enweghị ike ịlụọlụ ahụ, ma enwere ebe dị icheiche nke Chineke naeleanya ịlụọlụ -- itinye okwukwe ahụ nke O tinyere n'obi anyị n'ọlụ. Ebe a ka ọgan'iru nke Moses batara.

**Site N'okwukwe**

**"Okwukwe ka Rehab, bu nwayi nākwa iko, ji ghara iso ndi nēkwenyegh ekwenye lakọ n'iyi, ebe o were udo nata ndi ledoro obodo ahu anya" (Ndi-Hibru 11:31).**

Rehab biri n'etiti ndị náekpere arụsị ndị bụ ndị alaọzọ n'ebe Chineke nọ; ma ọtụtụ puku mmadụ ndị ahụ biri na Jeriko nwere otù ohere ahụ nke o nwere, nke bụ na ọ bụ ihe pụtara ìhè na ha nụrụ ihe banyere Chineke. Ma nime puku mmadụ niile ahụ ọ bụ náánị otù onye, bụ́ onye ya na èzínaụlọ ya, naara, kwere ma nweta kwa ihe nlụpụta dị na ya.

**"Gini ka m'gēkwu kwa ọzọ? n'ihi na oge gāgwunarim ma ọ buru na akọm akụkọ banyere Gideon, Berak, Samson, Jefta; ha na Devid, na Samuel na ndị -amuma" (Ndi-Hibru 11:32).**

Gideon ji ndị agha ya dị narị ndịkom atọ merie ụsụ ndịagha baraụba nke ndị Midian, ndị dị ka igurube n'ọnụọgụgụ, na ndagwurugwu ahụ. Otù onye ewerewo ndịagha nke Gideon tụnyere agha ikpeazụ ahụ nke Amagedọn. O nwere ọtụtụ ihe nke ha ji yie onweha. Gideon ejighị ngwaagha ọ bụla -- náánị ite, na ọwa; ọ gwụsịwo. Ha tirimkpu wee tiwaa kwa ite ha, mmeri wee bụrụ nke ha -- ewee gbuchapụ ndị iro ahụ. N'agha nke Amagedọn Onyenweanyị ejighị ngwaagha ọ bụla nke anụarụ náabịa, kama ngwaagha nke dị ike, agha ukwu ahụ kwa ka agaemeri.

Berak bụ onye ahụ meriri ndị Kenan -- ndịiro nke Onyenweanyị. Samson meriri ndị Filistia, Jefta merịkwara ụmụ Amọn. Devid wee lụsịa ọlụ ahụ, nlugbu nke Ala ahụ nke Ekwere ná Mkwà wee bịarue n'ọgwụgwụ.

**"Ndi sitere n'okwukwe lugbu ala-eze, lu ọlu ezi omume, nata nkwa di iche iche, …."**

Ọ bụ Joshua na Kaleb nwetara Ala Mkwà ahụ. N'ihi gịnị? N'ihi na ha kweere n'ebe ndịọzọ darambà. Enyere mkwà niile nke Chineke, ma aghaghị iwere ha ma jiri ha mee ihe dịka ihe nke aka mmadụ. O kwere mkwà inye ha ala Kenean, ma ụmụ Israel aghaghị inweta ya. N'ụzọ dị otú a ka Chineke si alụọlụ Ya n'akụkụ niile nke àtụ̀mààtụ̀ Ya n'ebe ndị Ya nọ. Mgbe ha mere akụkụ nke ha na ya, Chineke naeso ha náalụọlụ. Otú a ka ọ dị mgbe ndị náesoụzọ Jisọs naejégharị ebe niile náekwusa okwu Chineke, Chineke naeso kwa ha náalụọlụ, náeme ka okwu ahụ guzosieike site n'ihe irịbaàmà dị icheiche nke náesota. Ọ dị ka agaasị na anyị na Ya naalụkọ ọlụ. Ọ bụ n'ihi eziokwu ahụ na anyị gaalụọlụ ịnweta mkwà ya niile mere anyị ji agụ ha n'ihe ókéọnụahịa ma mata kwa ụtọ dị n'imeriemeri. Otú ọ dị, ụfọdụ mmadụ adịghị agụ ya n'ihe ụtọ ịbànye n'agha wee gabiga nsogbu.

Jemes sịrị, "Guanu ya n'ọñu nile, umu-nnam, mgbe ọ bula unu dabara n'ọnwunwa di iche iche" (Jemes 1:2). N'ihi gịnị? N'ihi na ọ bụrụ na ị nọghị n'ọgbọ agha, ị nweghị kwa ọnwụnwa, ị gaghị enweta mmeri. Ma ụfọdụ nime anyị enwewo, n'ebe a na n'ebe ọzọ, ndetụ ire ntà nke ihe ọ pụtara -- ịgafe mkpagbu dị icheiche, ma nweta kwa ọñụ nke dị nime ya mgbe anyị meriri.

Ọ dị otù onye nke bụ Finehaz onye, n'ihi nguzosiike ya mgbe ụmụ Israel gọnarịrị okwukwe ha, natara mkwà nke ịbụ onye nchụàjà nke náadịgide mgbe niile. Ọ bụ nwanwa Erọn. Devid, n'ihi okwukwe na nguzosiike ya, ekwere ya mkwà na site na mkpụrụ ya ka Mesaia gaesi bịa; Chineke mezukwara ya.

**"…kpuchita ọnu odum" (Ndi-Hibru 11:33).**

Ị gaahụ́ na ọ naewere ihe ịmaàtụ̀ ya niile site n'Àgbàochie. Anyị naahụ́ kwa Daniel onye akpọchiri n'òlùlù ọdụm Chineke wee napụta ya.

**"Mgbe ị nāgabiga nime miri, gi ka M'gānọnyere; mgbe ị nāgabiga nime osimiri, ha agagh eruchapu gi: mgbe ị nēje ije n'ọku, ọku agagh-aru gi; ire ọku agagh-ere kwa gi ọkụ" (Aisaia 43:2).**

Nke ahụ bụ nnwapụta nke ụmụ Hibru atọ ahụ nwapụtara. Apụrụm nnọọ iji anya nke imemmụọ hụ ha ka ha naagụ ahịrị okwu niile ahụ náagụghachi kwa ha ọtụtụ ugbò, n'ihi na ndị Hibru ahụ maara Baibụl ha wee náadabere kwa ná mkwà niile nke Chineke nime nsogbu ahụ. Onyenweanyị wee nápụta ha náekweghị ka ísì anwụrụọkụ dịkwasị n'uwe ha.

**"Menyu ike ọku, gbanari iru mma-agha…" (Ndi-Hibru 11:34).**

Moses naekwu ihe banyere oge ahụ mgbe ọ gbanarịrị mmaagha nke Fero, otú Chineke si lekọta ya mgbe ọ nọ n'ala Midian. Elaija gbanarịrị mmaagha nke Jezebel. Devid gbanarịrị mmaagha nke Sọl. Sọl chọrọ ndụ ya rue arọ iri, náakpagbu ya, náachụgharị ya site n'otù ọgba rue na nkeọzọ, site n'otù ugwu rue na nkeọzọ. Ndụ nke nwoke ahụ dị n'ihe izendụ ehihie na abalị, ma Onyenweanyị gbara ya ume wee dubiga ya.

**"…. ndi esitere n'okwukwe me ka ha di ike site n'adigh-ike…"**

Nke a naechetara anyị ihe banyere ndị agha ahụ dị ukwu nke ra ka nde mmadụ atọ maọbụ karịa ndị siri n'ijipt pụta. Ọ dịghị onye ọ bụla nime ha nke náadịghịike. Ọ naechetakwara anyị ihe banyere nlaghachi nke ike Samson n'arụ ya mgbe o mesịrị ka mkwà ya dị ọhụụ. Samson daraọdịda dị ukwu, ma mgbe ọ nọ n'ebe igweọka o nwere ohere iji tụgharịauche nke ntà, ekwekwara na o kpereekpere. Mgbe o mere ka mkwà ya dị ọhụụ ihe nke ahụ lụpụtara bụ na eweghachiri ike ya; site kwa n'ike ahụ o nyere Chineke otutu site n'imeri ndịiro nke ụmụ Israel n'ọnwụ ya karịa mgbe ọ nọ nándụ.

**"…. me ka ha di ike n'agha, ndi sitere n'okwukwe chulaga usu-ndi-agha nke ndi ala ọzọ" (Ndi-Hibru 11:34).**

Nke ahụ naeme ka echeta mgbe Joshua megidere ndị Amalek. Moses nọ n'elu ugwu, ma mgbe Moses welitere mkpan'aka ya emeriri ndịiro. Joshua dị ike rue mgbe ekpochapụrụ ndịiro ahụ kpamkpam.

**"Ndinyom natara ndi-ha ndi nwuru anwu site na nbilite n'ọnwu:…" (ndi-Hibru 11:35).**

I naecheta ihe mere mgbe Elaija mere ka nwanwoke nke nwanyị ahụ dị ya nwụrụ si n'ọnwụ bilie; na kwa nwanwoke nke nwanyị Shunem ahụ nke Elaisha mekwara ka o si n'ọnwụ bilie.

**"…ma etigburu ndi ọzọ, ebe ha juru inata ngbaputa-ha; ka ha we nata nbilite-n'ọnwu ka nma:**

**"Ma ndi ọzọ ka anwara ọnwunwa nke ihe-ọchi na utari, e, tukwasi ihe ndia, nke agbu na ulọ-nkpọrọ" (Ndi-Hibru 11:35, 36).**

Josef nọrọ arọ abụọ n'ụlọmkpọrọ n'Ijipt, ma ọ tụfughị okwukwe ya n'ebe Chineke nọ. Etinyekwara Jeremaia n'òlùlù, ma Onyenweanyị zigara onye náejéozi inye ya ihe niile náakpá ya; ma ọ bụghị otú a ọ gaalaworị n'iyì. Mgbe ụfọdụ anaetinye ndị nke Chineke n'ọnọdụ siriike nke náadịghị mfé isi na ya pụta; ma dịka otù onyeọzụzụatụrụ nke Chineke kwuru n'otù oge sị, "Onyenweanyị naemeghe ebe ahụ siriike ịpụta; ụzọ mgbapụ ewee d.ị"

**"Aturu ha nkume…."**

Zakaraia, nwa Barakaia, bụ onye ahụ atụgburu na nkume. Jisọs metụrụ ihe banyere ya aka mgbe Ọ naabara ndị Farisii mba:

**"N'ihi nka, le Mu onwem nēzitere unu ndi-amuma, na ndi-amam-ihe, na ndi ode-akwukwọ: ufọdu nime ha ka unu gāpia kwa ihe n'ulo-nzukọ-unu, si kwa n'otù obodo nēsogbu ha ga obodo ọzọ:**

**"Ka ọbara ndị ezi omume nile awusiworo n'elu uwa we biakwasi unu, site n'ọbara Ebel onye ezi omume ahu rue ọbara Zakaraia nwa Barakaia, onye unu gburu n'agbata ulọ nsọ na ebe-ichu-àjà unu" (Matiu 23:34, 35).**

Ha jiri nkume tụgbue ya n'ogige nke ụlọ Onyenweanyị n'ihi na o kwupụtara eziokwu ahụ n'ikwesị ntụkwasịobi nye ha. Ọ bụghị náání n'oge Agbàọhụụ ka akpagburu ndị nke Kraist, kama anaakpagbu ndị nke Chineke site kwarị n'ọgbọ niile garaaga. Ụfọdụ mmadụ edepụtawo na ọ dị nde mmadụ iriise egburu n'ihi okwukwe ha n'oge ọgbọ nke ọchịchịrị ndị ji ọbara nke ha onweha kaa ịgbaàmà ha akàrà. Anyị onweanyị n'oge nke anyị akaagabigaghị ọtụtụ ihe.

**"…akwọwara ha, (Akụkọ-ome-n'ala náeme ka anyị mara na ọ bu ihe emere Aisaia) anwara ha, ewere iru mma-agha gbue ha:…" (Ndi-Hibru 11:37).**

I chètara ndịnchụàjà ahụ nke Nob. Ha na èzínaụlọ ha -- narị mmadụ atọ n'ọnụọgụgụ -- egburu ha rue nwoke ikpeazụ. Ndi nchụàjà ndịa bụ ndịkom nke Chineke.

**"Ndia nile, ọ bu ezie na agbara ha àmà site n'okwukwe-ha, ma ha anatagh nkwa ahu" (Ndi-Hibru 11:39).**

Ha hụrụ ya n'ebe dị anya, site n'ọtụtụ narị arọ nke gabigara; ma emezughị ya nye ha. Ọbụná Abraham anataghị Ala nke Mkwà ahụ. Ọ bụ mkpụrụ ya natara ya. Náání ihe nketa nke Abraham nwetara n'Ala nke Mkwà ahụ bụ ebe eliri ozù ya, ọ kwụkwara ụgwọ ya.

**"N'ihi na Chineke buru uzọ leputa ihe ka nma bayere ayi, ka aghara ime ka ha zue okè ma asi na ayi anọgh ya" (Ndi-Hibru 11:40).**

Ị hụwo otú Chineke si nyakudo ha abụọ n'otù: n'ebe a ka ahụrụ ndịnsọ nke Agbàochie, na kwa ndịnsọ nke Agbàọhụụ; mkwà nke ekwere ndịnsọ nke Agbàochie bịaruru námmezu n'ebe ndịnsọ nke Agbàọhụụ nọ. Àtụmààtụ nke nzọpụta ezughị òkè tutu rue mgbe awụpụrụ Mmụọ Nsọ n'oge Agbàọhụụ.